Isiokwu Nsọ Ala N'ala Igbo Dịka Ọ Dị Na Steeti Anambara. Odee

Onyegiri Chikpdi Dympna (Ph.D)
Department of linguistics, Igbo and Other Nigria Languages
University of Nigeria, Nsukka
Email: chikodi.onyegiri@unn.edu.ng
Phon No: 08038870826

ỤMị

Nchọcha a na-agbado ụkwụ n'ilebanye anya na nsọ ala n'ala Igbo dịka ọ dị na steeti Anambara. Iji kọwapụta ọrụ ya n'ekpemekpe, ibi ezi ndụ nakwa ịhụ na ihe nile na-aga nke ọma n'etiti ọha na eze. Nsọ ala na-arụtụ aka n'ihe omume ndị na-emerụ ala, ma na-akpasu chi na ndị iche iwe. Nchọcha a ga-elebanye anya n'ụdịdị arụ dị iche iche ndị mmadụ na-eme, ihe otiti ga-adakwasa ndị merụrụ usoro obibi ndụ a dị nsọ na usoro nakwa ụdịdị nsacha nke ọdịnala. Site na itulerita agụmagụ na ime nchọcha miri emi, e mere ka amata na-enwere nsọ ala ndị ka gbadoro mgbọrọgwụ sie ike na steeti Anambara na-agbanyeghi mmepe ọhụrụ na-abata nakwa okpukpere ụka dị iche iche dị na steeti a. Atụtụ a gbasoro wee mee nchọcha a bụ atụtụ nke sitere n'aka Eliade (1957). Ihe anyị na-achọpụta na-akọwa na ụfọdụ nkwenye ọdịnala bụ nke kpụrụla ụkwụ n'ala, nsọ ala bụ nnukwu ihe imerụ ala n'ọtụtụ obodo dị iche iche na steeti a. Nchọcha a chịkọtara site na ịtụnye aro n' ụzọ iji chekwaba njirimara omenala site na ịnabata usoro ọgbara ọhụrụ dị iche iche nke ga-eme ka ọkwụdosie ike.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Nsọ ala, Omenala, Ọdịnala, Ndịiche, na Ọgbara ọhụrụ

Sacrilege (Nsọ Ala) In Igbo Land: A Case Study Of Anambra State.

Abstract

This study explores the concept of sacrilege (nsọ ala) in Igbo society, particularly in Anambra State, analyzing its role in maintaining religious, moral, and social order. Nsọ ala refers to acts that desecrate the sacred land (ala), offending the gods and ancestors. The paper examines the different forms of sacrilege, the consequences of violating sacred customs, and the traditional methods of cleansing. Through a literature review and qualitative research, it highlights the persistence of nsọ ala in contemporary Anambra society despite modernization and religious influences. Theory by Eliade (1957) was used in carrying out this research. Findings reveal that while some traditional beliefs have weakened, sacrilege remains a serious offense in many communities. The paper concludes with recommendations for preserving cultural identity while adapting to contemporary realities.

Keywords: Sacriliage, Custom, Consequencis and Traditional Wayout.

1. Mkpọlite

Nsọ ala bụ ọkpụrụkpụ isiokwu na nkwenye ndị Igbo. Ọ na-ezipụta akparam àgwà na-emerụ ala ma gbasaa ezi usoro nke obibi ndụ nke ọdịnala. Ndị Igbo bụ ndị nwere nsọpụrụ nke ukwuu n'ebe ihe gbasara ala dị. Ha kwenyere na ọ bụ ya na-akwagide ikpe nkwụmọtọ na ezi obibi ndụ. Akparam àgwà ọbụla wetara imerụ iwu ya dịka nwanne idina nwanne ya, nna idina nwa ya, igbu ọchụ, nakwa imerụ ebe nsọ dị iche iche bụ nke a na- ahụta dịka nsọ ala. A na-ejikwa ịchụ aja nsacha wee gbochie mwakpo n'iwe nke ndị iche. Ihe odide a na-elebanye anya n'ihe banyere nsọ ala, mpụtara ihe ya na steeti Anambara na uru ọ bara n'oge ọgbara ọhụrụ a.

2.Nkọwa Banyere Steeti Anambara.

Anambara bụ steeti nọ na saụtụ Isti nke Naijiria. Ọ bụ steeti a maara site na akụkọ ala dị omimi, ịnụ ọkụ n'ịchụ nta ego nakwa omenala kwụ chịm. E kere steeti ka ọnwa Ọgọọst dị na mkpụrụ ụbọchị iri abụo na asaa n'afọ, 1991. Ọ bụ n'oge a ka ekewapụtara ya na steeti Anambara nke ochie nke bụ steeti Enugwu n'ụbọchị taa. Isi obodo ya dị n'Ọka. Ebe Ọnịcha bụ ebe isi ọnọdụ azụmahịa ya.

Ha nwere oke ala ha n'etiti steeti Delta, Kogi, Enugwu, na Imo. Ọ bụ ebe obibi nye ndị Igbo bụ́ ndị ọ̀ka n'ọnụ ọgụgụ ha mejupụtara ya. E jiri ị dị uchu n'ọrụ mara steeti a ebe ọka n'ọnụ ọgụgụ mmadụ ndị mebere ha na-eme nke ọma na ịzụ ahịa, ịtụ mgbere na Iwube ụlọ ọrụ dị iche iche. Nnukwu mmiri Anambara Riva bụ nke e sitere na ya nye steeti a aha bụ nke na-enyere ha aka ebe ọ pụrụ iche maka ịrụ ọrụ ugbo nakwa ịkụ azụ.

Abịa n'ọnọdụ azụmahịa, Anambara steeti so na otu na ndị ama ama maka nke a. Ọnịcha bụ nke dị n'ikpere mmiri Naija bụ ebe ewubere ọma ahịa bụ otu ọma ahịa kachasị na mba West Afrịka. A na- akpọ ya Otú Ọnịcha maọbụ: "Onitsha Main Market" na Bekee. Obodo Nnewi bụ nke a na-akpọ Japan nke Afrịka n'ihi ogogo ha n'imeputa ihe dịka ụgbọ ala ọgbatumtum nakwa akụkụ ahụ ha na nke ụgbọala. Obodo Anambara na-emeputakwa mkpụrụ akụkụ ihe ubi dịka osikapa, ji, akpụ,na mmanụ nri.

Abịa na ọgụgụ akwụkwọ na inwe ụlọ akwụkwọ, steeti Anambara nwere ọtụtụ ụlọ akwụkwọ n'ogogo dị iche iche. Ọtụtụ ụlọ akwụkwọ kacha elu ndị Naijiria nwere bụ nke a na-ahụta na steeti Anambara. Ụlọ akwụkwọ ndị a gụnyere:
Mahadum Nnamdi Azikiwe dị n'Ọka.
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu dị n'Uli.
Tinyere Politeknik Steeti Anambara dị na Mgbakwu.
Anambara nwere ogogo ọgụgụ akwụkwọ dị elu. Ọtụtụ ndị ya na-eme nke ọma n'agụm akwụkwọ, okwe ndọrọ ndọrọ, and azụmahịa.

Omenala na Ọdinala

Ejiri omenala kàrà àkà wee mara ndị steeti Anambara. Ha na-ezipụta omenala ndị a site na mmemme dị iche iche, egwu ọdịnala, na mmemme ndị ọzọ. Ụfọdụ n'ime ndị a gụnyere:
Emume ịgba ọfala nke ndị Igwe, karịsịa n'obodo Ọnịcha.

Iri ji ọhụụ. Nke a bụ emume pụrụ iche na-egosipụta owuwe ihe ubi.
Steeti Anambara nwekwara ọtụtụ ebe akụkọ ala pụrụ iche dịka ọgba Ọgbunike, bụ nke a maara nke ọma ma bụrụkwa nke ndị UNESCO depụtara n'ihe ndepụta ha.

Ekpemekpe

Ekpemekpe ndị òtù Kraịst bụ ekpemekpe kasị na steeti Anambara ebe ụka Katọlik na Anglikan bụ nke kachasị. Steeti a azụpụtara ndị isi ụka ama ama dịka Kadinal Arinze.
Ọtụtụ ndị mmadụ a maara aha ha sikwa na steeti Anambara pụta. Mmadụ dịka:

- Ọkammụta Nnamdi Azikiwe
- Ọka nkuzi Chinụa Achebe
- Emeka Anyaọkụ
- Mazi Pita Obi nakwa ọtụtụ ndị ọzọ dị iche iche.
- Ọchịchị na mmepe

Steeti Anambara, anwachapụtara nnukwu mmepe karịsịa n'ebe owuwu ụlọ, ịgụ akwụkwọ, na ọnọdụ ahụike. Ọchịchị nọ ugbua na-agbadosi anya ike n' ịrụ ụzọ, inwe ezi nchekwaba ndụ na ngwongwo na ime ka azụmahịa dị mfe.

Na mmechi, steeti Anambara bụ nke dị uchu n'ịgba mbọ ma nwekwaa ezi obibi ndụ nke na-akwalite ọnọdụ akụnụba na ezi obibi ndụ nke obodo Naijiria. Ọ bụ steeti nke nwere ezi mmụọ ịgba mbọ, ịgụ akwụkwọ, ezi ntọala nakwa ọdịnihu kwesiri ntụkwasịobi.

3. Ntulerita Agụmagụ

Oge ọbụla a na-eme nchọcha, ọ dị mkpa na-elebara anya gbasata ihe odide dị iche iche nke ndị odee ụfọdụ derela gbasara isiokwu dị otu a maọbụ nke yitere ya.

Abia n'isiokwu a nke gbadoro ụkwụ na nsọ ala dịka ọ dị na steeti Anambara.A ga-atụlerita akwụkwọ dị iche iche nke a ga-esite na ya chọpụta usoro a ga-eji kwagide nsọ ala, ntaramahụhụ sitere na Ọdinala nye ndị merụrụ nsọ ala nakwa mpụtara nke ọgbara ọhụụ nye omenala ndi a. A ga-elebanyekwa anya n'akwụkwọ e derela maka oke na ọrụ ndị ndú ọdịnala na ụlọ ụka ekpemekpe n'ichekwabaa maọbụ idozi nkwenye ndị a.

Na mbụ ka anyị leba anya na mpụtara nsọ ala, omenala nakwa ọdịnala.

Nsọ ala pụtara omume nke na-emerụ ala dị nsọ, Arinze (1990).Ọtụtụ ndị ọkà na akwụkwọ enyochaala uru nsọ ala bara n'obodo Afrịka. Odee bụ mbiti (1990) kọwara na ndị ekpemekpe ọdịnala nke Afrịka dịka ebe nsọ nke ike mmụọ dị iche iche na-achị. Nkea na-eme ka aghọta na ndị Igbo nwere nkwenye na mmụọ dị iche iche nke na-ahụ maka obibi ndụ ha. Achebe (1958) n'akwụkwọ ọgụgụ ya gosipụtara etu imerụ nsọ ala si eduba mmadụ na-ịgbapụ ọsọ maọbụ ntaramahụhụ dị iche iche. N'ịkọwapụta ije ozi ndị dibịa dịka o si metụta nsọ ala na ịhụ maka ezi obibi ndụ nke ọha mmadụ, Afigbo (1981) kọwara maka òkè na ọrụ ndị dibịa na ndị okenye na ichekwaba nsọ ala n'ala Igbo. O mere ka amata na ndị dibịa na-ahụ na onye merụrụ nsọ ala na-aga nsacha dịka o si kwesi. Nke a bụ iji medaa ndị iche obi maka arụ onye ahụ mere ma sachaa onye dị otu a ka o wee dị ọcha. N'oge a, okpukpere ụka ndị nke Kraịst e meela ka ụfọdụ omume ọdịnala a malite ịkpọ ụkwụ n'ala. Ilogu (1974) n'iji kwado nke a lebara anya n'otu ekpemekpe ụka ndị òtù Kraịst siri weta mgbanwe dị iche iche dịka o siri metụta nsọ ala n'ala Igbo ọkachasị na steeti Anambara.

N' ime nchọcha a, ọ dịkwa mkpa na anyị ga-elebanye anya na nkọwa omenala, ọdịbendị nakwa ọdịnala.

Dịka Ekpuchie (2008) siri kọwaa na ọ kwesiri ka a na-akụzi ihe ndị a n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche. N'ụzọ dị nke nke, enwere ike ịkọwa omenala dịka nchịkọta ihe niile e jiri mara mba. Ọ gụnyere ihe ndị nile na-emebu nakwa ihe ndị enwere ike iji gbado ụkwụ wee kọwaa ha.

Omenala Igbo bụ ihe nile ndị Igbo na-eme e nwere ike iji gbado ụkwụ wee kọwaa ndị Igbo. Akwụkwọ ọkọwa okwu "Enciclopedia" kọwara na omenala bụ nchịkọta ihe ama nile"all symbolic things"; ihe enwe enwe nile, omume, dgz. A gbado ụkwụ na nke a wee kọwaa omenala Igbo, a ga-asị na omenala Igbo bụ ihe ama ama n'ala Igbo nile, ihe enwe enwe n'ala Igbo nile, nkwenye ala Igbo nile tinyere omume nile e ji mata ndị Igbo. Site na nkọwa a, omenala Igbo nwere ike ịgụnye

- Asụsụ
- Omenala
- ịgọ ọjị
- Echichi ndị Igbo
- Nkwenye ndị Igbo
- Ejiji, dgz.

Omenala Igbo dịka mkpụrụ akụkụ ubi. A na-akụ akụkụ ubi akụ. Nke a pụtara na a na-akụ omenala Igbo akụ. Etu esi lekọta ya ga-egosi ma ọ ga- eto eto maọbụ nwụọ. Omenala (Culture) nwekwara ike ipu dịka ahịhịa dị n'ubi si epu. Nke a pụtara na enwere ọtụtụ omenala ndị ka na-eto na-aganihu dịka oriri ji ọhụụ, ịlụ di, ichi ọzọ dgz. Na nchịkọta, anyị ga-asị na omenala Igbo bụ usoro ndị Igbo ji ebi ndụ ha.

Ọdịbendị (custom) bụ ihe ndị na-eme n'ụzọ pụrụ iche nke e jiri mara ha. Nke a bụ oge ihe a na-eme pụrụ iche na nke ndị ọzọ. Ọ bụkwa omenala nke e jiri mara ndị dị otu a. Ọ metụtara ihe ndị ọzọ maara eme n'ụzọ pụrụ iche. Dịka abịa n'omenala Igbo, e nwere ndị e ji ịkụ ụzụ mata dịka ndị Ọka. Enwere ndị e ji ịkụ azụ mata dịka ndị Ọgbaru na ndị Anam. N'otu aka ahụ, e nwekwara ndị eji egwu agha mata dịka ndị Abịrịba na ndị Ọhaọfịa. N'obodo dịka Nsụka bụ isi ọkpa, agharagha na achịcha ede ka e jiri mara ha. Ọ nwere ndị eji ofe ụkpọ mara dịka ndị Ọhaọzara na ndị steeti Ebonyi. Ọ nwekwara ndị eji ofe achara wee mara dịka ndị Ụmụahịa.

Abịa n'emume, e nwere ndị e ji emume ịgba ọfala wee mara. Ndị dịka ndị obodo Ọnịcha dị na steeti Anambara. Ọmaba na órí ọkpa bụ ihe e ji mara ndị Nsụka.

Mbiti (1969) kọwara ọdịnala(tradition) dịka nkwenye ọdịbendị na ihe dị iche iche ejirila mara ndị n'ọtụtụ oge gara aga. Ha bụ ihe ndị ahụ puru epu n'ala Igbo. Ha bụ ihe ndị ahụ malitere oge ndị Igbo malitere. Nkea pụtara na-amaghị oge ọdịnala malitere n'ihi na amaghị oge ndị Igbo malitere. Ha bụ ihe ndị ahụ dịbu adị n'ala Igbo tupu ndị Igbo amụta ihe ọzọ tinyere ya. Omenala ọbụla na- agbado ụkwụ n' ọdịnala. Nke a pụtara na ọdịnala tọrọ omenala. Ụfọdụ ọdịnala Igbo gụnyere, ịkwa ozu, ili ozu, ike ikpe, ịgụ nwa aha, ịkụchi nwanyị dgz bụ ihe dị ọkpụ tọrọ ọkpụ nke na-amaghị oge obidoro.
Isiokwu a na-ekwu maka nsọ ala n'ala Igbo dịka ọ dị na steeti Anambara.

4. Mbunuche Nchọcha

Onye na-eme nchọcha nwere ebumnobi oji eme ya. Nchọcha a dịka nchọcha ndị ọzọ nwekwara ebumnobi ya. Ebumnobi nchọcha a gụnyere ndị a:

i. Ịmara ntaramahụhụ sitere n'ọdịnala nye ndị merụrụ nsọ ala
ii. Ịmata ọnọdụ ndị ụka Kraịst nakwa mmepe nye nsọ ala
iii. Iji obodo atọ, Ọka, Nri na Aguleri dị na Steeti Anambara wee gosipụta nsọ ala na ntaramahụhụ so ya.

5. Atụtụ maka nchọcha

Atụtụ bụ ihe mgbado ụkwụ nke na-enye aka iji kọwaa isiokwu nchọcha nke ọma. Na nchọcha a, anyị ga-elebanye anya n'atụtụ ole na ole ebe a ga-ahọrọ atụtụ nke a ga-agbaso wee mee nchọcha.

Nke mbụ bụ atụtụ nke a kpọrọ"Structuralism Functionalism" bụ nke Durkheim (1912). Nkea na-ahụta nsọ ala dịka ngwa iji hazie ezi usoro obibi ndụ nke ọhanézè.
Ọzọ bụ atụtụ nke a kpọrọ" Sacred and Profane Theory". Onye weputara atụtụ nke a bụ Eliade(1957). Ọ kọwara etu obodo si eweta ndịiche n'etiti ihe nsọ nakwa obibi ndụ nkịtị nke ndị obodo. Enwere atụtụ ọzọ nke a kpọrọ"Social Contact Theory" sitere n'aka Rousseau (1762). Ọ gbariri ma kọwaa etu usoro ezi ndụ na iwu ekpemekpe si arụkọ ọrụ ọnụ ịhụ na-enwere ezi usoro obibi ọhanézè maka ibi n'udo.

Nchọcha a ga-anabata atụtụ nke a kpọrọ"Sacred and Profane Theory" sitere n'aka Eliade (1975), nke a webatara echiche ya nye etu ndị mmadụ si ahụta ebe ụfọdụ, akparamagwa ụfọdụ na ihe dị iche iche dịka ihe nsọ. Imerụ ihe nsọ ndị a na-aghasa ezi usoro e mebere site n'aka okike maka ezi obibi ndụ. Nke a na-ebute ịchụ aja maka nsacha.

6. Usoro Nchọcha

Nchọcha a webatara usoro nchọcha dị iche iche. Usoro ndị a gụnyere:

- Ị họrọ obodo ole na ole:
- Ịkọwa maka nkenụdị nsọ ala nakwa ịma atụ ha.
- Ịpụ ma gaa n'ụfọdụ obodo dị iche iche na steeti Anambara wee mee nchọcha a.
- Ịgba ajụjụ ọnụ: E nwere mkparịtaụka sitere n'aka ndị ọchịchị obodo, ndị nchụ aja na ndi igwe ọdịnala.
- Ịtọsa ihe e dere ede: e mere ntọsa nke ihe ndekọ ọdịnala tinyere akụkọ ọdịnala dị iche iche nke edere n'akwụkwọ maka nsọ ala.

7. Ngosi na Nnyocha Data

Ịmata ntaramahụhụ dị iche iche nyé ndị merụrụ nsọ ala n'ala Igbo.
Nchọpụta e mere na-egosi na nsọ ala na-apụta ihe n'ụzọ dị iche iche na steeti Anambara. E nwekwara ntaramahụhụ so imerụ nsọ ala n'ala Igbo karịsịa na steeti Anambara. Ụzọ ndị a e si emerụ ala na ntaramahụhụ so ya gụnyere:

1. **Nsọ ala nke imerụ okpukpe na nkwenye -** A na-enweta ndị a n'ụzọ dịka imerụ arụsị, igbu anụ nsọ dịka enwe Imo Ọka, ebule arụsị dgz. Maọbụ esonyeghi na mmemme okpukpere chi dị iche iche. Ka kọwaa otu na n'ihe ndị a:

i. Imerụ Arụsị:

Arụsị ọbụla nwere nsọ ya. Ọtụtụ obodo dị iche iche nwere nsọ nke arụsị. Igbo na-ekwu okwu si na ihe ndị na-asọ ka ibe ha na-eri. N'obodo ụfọdụ n'ala Igbo dịka na steeti Anambara, arụsị na-asọ nwanyị nọ na nsọ ịbata na ya, iri aka azụ, karịsịa ịkwa iko. Ọ na-abụ ihe oke mpịtọ oge onye na-eme arụsị na-edina ụmụ nwanyị agharagha aghara. Arụsị na-eweta ntaramahụhụ dị oke egwu nye ndị dị otu a. Ọtụtụ oge ọ na-ezipuru ha ọnwụ ihere dị iche iche.

Ọnwụ nye onye na-eme arụsị nke na-ebi ndụ edina ụmụ nwanyị nwere ike bịa oge nwoke ahụ riri nri sitere n'aka nwanyị dị otu a. Ọ ga-eme ka ire nwoke ahụ malite ito ogologo ganye na o toputasịa. Nkea ga-eduba nwoke dị otu a n'ọnwụ ntụmadị.

Oge onye na-eme arụsị nwụrụla, ndị nke ya ga-aga n'afa ịma ihe a ga-e ji wee mee ka obi dịkwa arụsị ahụ mma ọzọ. Ụfọdụ oge ha na-ebute ọtụtụ ebule, ọtụtụ abọ ji, ihe a ga-eji wee sie ya, nde kwuru nde ego tinyere nsị egbe.

2. **Imerụ nsọ ala nke usoro adịm ọcha-** nke a gụnyere mpụ̀ dịka nwanne idina nwanne, nna maọbụ nne idina nwa ya, igbu ọchụ nakwa omume ndị ọzọ na-emebi ezi usoro obibi ndụ nke ndi mmadụ. Lee nkọwa otu n'ime ha:

i. Igbu ọchụ:
Igbu ọchụ na-apụta ihe oge mmadụ kpachara aka n'anya wee gbue mmadụ ibe ya. Anya ụfụ, iwe ọkụ, ịkpọ asị, ekworo na anya ukwu bụ ihe ndị na-ebute mmadụ igbu mmadụ ibe ya. Mmadụ nwere ike igbu mmadụ ibe ya site na ịrụ ọgụ, igbu mma, inye/ ịkpa nsị, igobi ndị ogbuu, ịtọgbu mmadụ atọgbu dgz.

Ngwa ngwa a chọpụtara onye gburu mmadụ, a na-agba ya ọtọ, gụrụ ya egwu were mmọnwụ chụpụ ya n'obodo. Oge etichara ya ihe nke ọma. A na- akpọ nke a, ọgbanaajịrịja. Ụfọdụ oge a na- achụpụ onye dị otu a kpamkpam n'obodo. Ebe ụfọdụ oge, a na- enye ya afọ ole ọ ga-anọ n'obodo ọzọ tupu ọlaghachite. Agaghị azụ ya ahịa, resi ya ahịa maọbụ ghe ya ọnụ n'ụzọ.
Oge ọ nọsịrị afọ ole ọ ga-anọ n'obodo ọzọ, tupu a nabatakwa ya, ọ ga-eweta ihe dị iche iche ọ ga-eji mekwaa arụsị obodo. Ọtụtụ oge, a na-edu ya n'iyi nakwa ọgbụgba ndụ na ọ gaghị egbukwa mmadụ ọzọ.

3. **Nsọ ala nke ọhanézè-** Ndị a gụnyere akparamagwa dịka esemokwu ala, ịnụ iyi na imebi usoro ọdịnala akwam ozu.

i. Akwamozu:
Akwamozu bụ ọnọdụ ndị Igbo ejighi egwu egwu ma ọlị. Ọnwụ mmadụ na-abụ ihe anya mmiri na obi mgbawa. Nwata, ntorobịa, okenye, di maọbụ nwunye ya na-anwụ ọnwụ. Ọ na-abụ ihe arịrị na nwute nke ukwuu.

Oge di mmadụ nwụrụ nwunye na- abụ nwanyị ajadu. Ọtụtụ oge, dị na-anwụ hapụrụ nwunye ya ụmụ kịrịkịrị ụmụ ntakịrị. Ọnwụ dị otu a na-emekpa nwaanyị dị otu a ahụ nke ukwuu. Ọ ga na-ebe akwa kwa oge ọbụla o chetere ọnwụ di ya. Ndị enyi, ikwu na ibe tinyere ọtụtụ mmadụ ndị ọzọ na-abia akasi ya obi.

Oge nwanyị na-aba na-akwam ozu di ya, a na-agụrụ ya nsọ ala dị iche iche. Nsọ ala ndị a na-esawanye ike oge a na-eche na aka nwanyị a dị n'ọnwụ di ya. A na-agụrụ ya nsọ ala dị iche iche nke gụnyere na ọ gaghị asa ahụ, ọ gaghị eri nri oge kwesiri, ọ gaghị ekwu okwu, agaghị ekuli ọtọ, a na- amara ya iwu na ọ ga na-ebe akwa di ya oge ọbụla.

Na nsọ ala nile ndị a, nke ọbụla nwere ntaramahụhụ nakwa ihe ndị ọ ga-eweta iji mekwaa ala.
ii. Iji obodo atọ, Ọka, Nri na Aguleri dị na steeti Anambara wee gosipụta ntaramahụhụ so nsọ ala.

Nsọ ala na steeti Anambara ka eIebanyere anya site na iji obodo atọ wee mee ọmụma atụ. Obodo atọ ndị a gụnyere: Ọka, Nri na Aguleri.

1. **Imerụ Echichi Ọzọ n'Obodo Ọka:** N' obodo Ọka, mmadụ nwere ike imerụ iwu na-achị echichi ọzọ. Onye ọzọ nwere ike ịdabanye na nke a site na izu ori maọbụ ikwu okwu ụgha oge o chichasịrị ọzọ. A na- ahụta nke a dịka nsọ ala nke ga-ewetara ya nsacha tupu anabatakwa ya n'etiti ndị ọzọ nakwa ọhaneze.
2. **Igbu ọchụ nakwa nsacha n'obodo Nri:** Obodo nri bụ nke e were dịka isi obodo omenala n'ala Igbo. Igbu ọchụ n'ime obodo a bụ nsọ ala. A na-amapụ onye dị otu a ganye na ọ gabiga nsacha dịka o si kwesi. Cheta nkọwa nke enyerela maka nke a.
3. **Ịzọ ala n'Aguleri na Umuleri:** Esemokwu ala n'obodo ndị a na-enwekarị ọtụtụ oge na-eweta nsọ ala site na iwufu ọbara n'ebe nsọ. Oge ọbụla ha na-alụ ọgụ maka àlà, nwanne anaghị amakwa nwanne ya. Ọgọ, ada, nwadiala bụ nke anaghị amakwa. A na-egbu, onye gbute ya gbuo. Ụfọdụ na-agwọ ọgwụ ọdịghị eshi. Ọbara nílé a, a na-awufu na-ewe ala iwe. Ọ na-ewetakwa mmerụ ya. Ikpezi nke ọdịnala na-eweta ịchụ aja maka ịrịọ ala arịrịọ maka ọbara ndị a.

8. Nchịkọta nke nchọcha

- Nsọ ala bụ ihe ka kwụ chịm na steeti Anambara ebe ọtụtụ ndị ndú ọdịnala na-akwagidesi ya ike.
- Ọ bụ ezie na ọgbara ọhụụ akpụọla ọtụtụ nsọ ala ụkwụ n'ala, ḿmejọ siri ike dịka akwam iko n'etiti nwaṅne na nwanne maọbụ nne na nna na ụmụ maọbụ nwa tinyere imerụ arụsị bụ nke a na-eme nsacha ala.
- Ime udo n'"obodo steeti Anambara ka bụkwa nke a na-eji ọchụchụ aja were weghechita udo.
- Ndị ntorobịa ugbu a amataghị omenala ndị a n'ihi mmepe dị n'oge a tinyere okpukpere ụka ndị nke Kraịst. Ebe okpukpere ụka ndị otu Kraịst nwere mmegide nye ọtụtụ nkwenye ọdịnala.
- Etuosiladị, e nwere ọtụtụ obodo na- agbaso iwu na nsacha nke nsọ ala.

9. Ịtụnye aro na ḿmechi

Iji chekwaba akụkụ nsọ ala nke dị mma ma nabatakwa ndụ ọgbara ọhụụ, anyị na-atụnye aro ndị a:

1. **Ịgbasa ozi maka omenala:**

Ụlọ akwụkwọ ga- ewebata anụmanụ maka omenala n'ihe ọmụmụ akwụkwọ ha.

2. **Mkparịtaụka nke obodo:**

Ndị ndú ọdịnala na ndị ụka ga-akpakọrịta nkata ọnụ iji mee ka ha nwee ezi nkekọrịta.

3. **Nchọpụta nke ndị ọchịchị:**

Ndị ọchịchị ga-ewebata akụkụ nke nkwụmọtọ ọdịnala n'ime akwụkwọ nke ndị ọchịchị.

Mmechi

Nsọ ala na-arụ ọrụ pụrụ iche na nchọpụta nke omenala karịchasịa na steeti Anambara. Ebe enwerela ọtụtụ ihe batara na ya n'ihi ngwakọrịta, ntọala nke nkwenye na nsọ ala ka kwụ chịm. Ndị ọgbara ọhụụ ga-achọ ụzọ ha ga-esi kwagide ọdịnala a, ebe ha na-anabatakwa nke ọgbara ọhụụ. Nchọcha a nyere nleba anya tọrọ atọ maka nsọ ala, ma na-akwalite nghọta nke uru ọ bara banyere ọdịnala.

References

Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart.* Heinemann.

Afigbo, A. E. (1981). *Ropes of San*d: Studies in Igbo History and Culture. Ibadan: University Press.

Arinze, F. (1970). *Sacrifices in Igbo Religion*. Ibadan: University Press.

Durkheim, E. (1912). *The Elementary Forms of Religious Life*. Free Press.

Ekpuchie, D.N. (2008). *The Teachings of Igbo Literature in Secondary Schools*. A Pedagogic Approach in Zaria Journal of Linguistics and Literary Studies. Vol.3. No.1.

Eliade, M. (1957). *The Sacred and the Profane*: The Nature of Religion. Harper & Row.

Ilogu, E. (1974). *Christianity and Igbo Culture. Enugu*: Nok Publishers.

Mbiti, J. S. (1990). *African Religions and Philosophy*. Heinemann.

Mbiti, J.S. (1969). *African Religious and Philosophy*. London: Heineman Educational Books.

Rousseau, J. J. (1762). *The Social Contract*.